# NWA-ATỤRỤ NKE CHINEKE
## Nkpughe 5:1-14.
### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 461 -Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "O kwesị rị , bu Nwa-Aturu ahu nke egbuworo egbu, inata ike nile, na àkù, na amam-ihe, na ume, na nsọpuru, na otuto, na ngọzi" (Nkpughe 5:12).**

**I Akwụkwọ ahụ nke Nwere Akàrà Asaa**

1. Chineke jidere Akwụkwọ ahụ ákàrà àkàrà, Nkpughe 5:1; Daniel 12:4, 9.
   2. Ajụrụ ajụjụ ahụ: "Onye kwesiri isaghe akwụkwọ ahụ?" Nkpughe 5:2-4.
   3. Ọdụm ahụ nke sitere n'ebo Juda meriri wee nwee ike ịsaghe Akwụkwọ ahụ na ịtọghepụ akàrà ndị ahụ, Nkpughe 5:5; Ndị Hibru 7:14.

**II Nwa-atụrụ ahụ nke Ná-adị Ndụ**

1. N'etiti oche-eze ahụ ka Nwa-atụrụ na-eguzo, Nkpughe 5:6; 13:8; Aisaia 53:7; Jọn 1:29, 36.
   2. Nwa-atụrụ ahụ wee nara Akwụkwọ ahụ n'aka Chineke, Nkpughe 5:7.
   3. Enyere Nwa-atụrụ ahụ nsọpụrụ fee kwa Ya òfùfè, Nkpughe 5:8; 7:9, 10.

**III Abụ̀ ọhụụ ahụ**

1. "I kwesiri" bụ isiokwu nke abụ̀ ọhụụ ahụ, Nkpughe 5:9, 10.
   2. Ndị mmụọ ozi nke Eluigwe nyere Nwa-atụrụ ahụ otuto, Nkpughe 5:11, 12.
   3. Ihe niile ékerè èkè kpọrọ isi-ala nye Chineke na Nwa-atụrụ ahụ, Nkpughe 5:13, 14.

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Mkpughe**

Obi Jọn ga-añụrịworị añụ nke ukwuu ọtụtụ oge mgbe ekpugheere ya Jisọs Kraist na nzọụkwụ na nzọụkwụ. Jọn ahụ́worị Kraist ahụ eyikwasịrị ebube ma nụ kwa ka Ọ na-ekwu okwu. Ọ natawo ma dee kwa ozi ndị ahụ ezigaara nzukọ Kraist asaa ahụ n'akwụkwọ, mgbe ahụ o nwekwara ohere dị óké ebube ịhụ́ Oche-eze nke Eluigwe na ịhụ́ Chineke ka Ọ na-anọkwasị n'elu Oche-eze ahụ. "Orú Oche-eze na anọ dị kwa Oche-eze ahụ gburugburu: m'we hu orú ndi-okenye na anọ ka ha nānọkwasi n'oche ndịa, ndi egbokwasiworo uwe ọcha; ahu kwa-ram okpu-eze nke ọ la-edo n'isi-ha" (Nkpughe 4:4). Tinyere ndị okenye iri abụọ na anọ ahụ nọ gburugburu oche-eze ahụ enwekwara anụ anọ dị ndụ ma ọ bụ ihe anọ ahụ dị ndụ, ndị na-enye Onye ahụ nke ná-anọkwasị n'elu Oche-eze ahụ otuto na nsọpụrụ na ekele mgbe niile.

Jọn hụrụ ihe ndịa niile, ma ozi eziri ya bụ, "Rigota n'ebe a, M'gēgosi kwa gi ihe nile nke nāghaghị iputa mgbe ihe ndia gasiri" (Nkpughe 4:1). Baịbụl na-agwa anyị na Chineke akwadoworị ihe ndịa nye ndị nabatara ma kwere kwa Ọkpara Ya, nye kwa ndị hụrụ Ya n'anya ma ná-efe kwa Ya òfùfè. "Onye nēmeri gēketa ihe ndịa M'gābu-kwa-ra ya Chineke, ya onwe-ya gābu-kwa-ram nwa" (Nkpughe 21:7).

"Ha gāhu kwa iru Ya, aha-Ya gādi kwa n'egedege-iru-ha…. Ha ganābu kwa eze rue mgbe nile ebigh-ebi" (Nkpughe 22:4, 5).

Ndị ahụ niile na-ajụ òkù nke Kraist na-akpọ, ndị na-ajụ ifè Ya òfùfè, ndị ahụ na-enupụ isi n'iwu Ya niile, ọ bụghị náání na ha agaghị abà n'Eluigwe, kama náání otù ohere chere ha iru: bụ ịbụ ndị furu efù ruo mgbe ebighị ebi, ndị amara ikpé ịbà n'ọdọ ọkụ ahụ. Nime ịta ụta dị egwù na ikpé ọmụma nke mmehie na ịmata nkeọma na ịla n'iyi ebighị ebi bụ ihe dị adị, gịnị mere mmadụ ọ bụla ga-eji chọọ ịnọgide n'ibi ndụ nke amaghị Chineke? N'ụzọ ọzọ ọñụ niile nke á na-enweta site n'ibi ndụ nke Onye Kraist, tinyere onyinye nke Chineke, ndụ ebighị ebi, kwesịrị ịbụ ihe ga-ezu ịkpali onye ọ bụla ka o fee Kraist na Chineke òfùfè.

**Ọ́hụ̀ nke Jọn**

Mgbe egosịrị ya ọhụ̀ ahụ, Jọn hụrụ n'aka nri nke Onye ahụ ná-anọkwasị n'elu Oche-eze ahụ otù Akwụkwọ nke edere yarị ihe nime na n'azụ, nke eji kwa akàrà asaa kachie ya. Chineke nyere mkpughe ahụ iji gosi ndị orù Ya ihe dị iche iche nke ná-aghaghị imezu na mgbe ná-adịghị anya, ma Akwụkwọ a nke akarà àkàrà dị ka o mere ka ihe niile dere duu ná mkpughe nke ihe ndị ahụ gaje ime. Otù mmụọ ozi dị ike kpọsara ozi a, "Ònye

kwesịrị isaghe akwukwọ ahu, na inyawapu akàrà-ya?” Ọ bụghị ịdị ike ka achọrọ iji nyawapụ akàrà ahụ, ma ọ bụghị otú a mmụọ ozi ahụ dị ike ga-etozuworị ókè ịsaghe Akwụkwọ ahụ.

Jọn kwara ákwá nke ukwu n’ihi na ọ dịghị onye ọ bụla, ọbụná n’etiti ndị mmụọ ozi nke Chineke, nke pụrụ ịnyawapụ akàrà niile ahụ na ịsaghe Akwụkwọ ahụ. Ọ bụrụ na Akwụkwọ ahụ anọgide ná-asagheghị ya agaghị eme ka nzukọ Kraist, ụwa na Eluigwe mara ihe edere nime ya. Ọtụtụ ndị na-eche na Akwụkwọ a metụtara ihe banyere ọnụ-ahịa na ọ̀zụ̀zụ̀ nke mgbapụta. Aghaghị imezu àtụ̀màtụ̀ nke Chineke banyere nzọpụta nke mmadụ site ná mmehie tupu enwee ike ịnyawapụ akàrà ndị ahụ.

Mgbe Jọn na-ákwá ákwá, otù nime ndị-okenye ahụ weere okwu nkasịobi ahụ bịa: “Ákwálá ákwá: le, Ọdum ahu Nke si n’ebo Juda puta, onye bu Nkpọrọgwu nke Devid, O meriri, isaghe akwukwọ ahu na akàrà-ya asaa.” Okwu nke Baịbụl pụrụ ịkọwa nkeọma ihe ahụ dị ebube nke Jọn hụrụ: “M’we hu Nwa-aturu ka O nēguzo n’etiti oche-eze ahu n ihe anọ ahu nke di ndu, guzo kwa n’etiti ndi-okenye ahu, dika agāsi na egburu Ya-ri, Ọ nwe-kwa-ra mpi asa, na anya asa, nke bu Mọ-asa ahu nke Chineke, bu nke ezigaworo ha n’uwa nile.” Otù Onye a bịara wee nara Akwụkwọ ahụ n’aka Onye ahụ nke ná-anọkwasị n’elu Oche-eze ahụ.

**Ikwesị Ekwesị**

Òlee ntozu òkè nke mere ka Nwa-atụrụ ahụ kwesị ịnara Akwụkwọ ahụ na ịnyawapụ akàrà ya? Mpi asaa Ya ha mere ka O tozuo òkè? Na Nwa-atụrụ ahụ nwere mpi asaa na-egosi Ya dịka Ihe nwere ike niile, ebe mpi na-egosipụta ịdị ike, ọnụ ọgụgụ ahụ bụ́ asaa bụ kwa ihe zuru ezù ma ọ bụ ọnụ ọgụgụ zuru òkè n’akụ̀kụ̀ niile nke ihe edere n’Akwụkwọ Nsọ. Ma ọbụ anya asaa ahụ, Mmụọ asaa ahụ nke Chineke: ndịa ha ga-abụ ntozu òkè ahụ? Ọzọ kwa nke a bụ ọnụ ọgụgụ zuru òkè ná-egosi kwa amamihe, ihe ọmụma na nghọta. Ntozu òkè ndịa bụ ihe pụrụ iche dị kwa ịtụn’anya, ha nwekwara ọnọdụ ha na ihe mere ha jị dị; ma ihe ndịa abụghị ihe mere ka Nwa-atụrụ ahụ tozuo òkè ịnyawapụ ákàrà ndị ahụ. “Ònye kwesiri isaghe akwụkwọ ahu?” Jisọs Kraist, Ọdụm ahụ, Nwa-atụrụ ahụ wee bịa n’iru! N’ọbịbịa Ya nke mbụ Ọ bụ Nwa-atụrụ nke ga-achụ Onweya dịka àjà n’ihi mmehie niile nke anyị (Jọn 1:29). N’ọbịbịa Ya nke abụọ Ọ ga-abụ Ọdụm ahụ, nke pụrụ ime ihe niile ma dị kwa ike ịchị achị na ịbụ eze.

Ọ bụ ọ̀kwá nke ijéozi nke Kraist dịka Nwa-atụrụ iji chụọ àjà nke Kalvarị, bụ ihe mere ka O kwesị iwere Akwụkwọ ahụ na ịnyawapụ akàrà niile ya. Ihe anọ ahụ nke dị ndụ na iri ndị okenye abụọ na anọ dara n’ala n’iru Nwa-atụrụ ahụ ná nsọpụrụ na ife òfùfè. Abụ̀ ọhụụ dara n’akụkụ niile nke Eluigwe. Ihe omimi ọzọ dị ukwu nke Chineke ka agaje ime ka ọ pụta ìhè. “I kwesiri inata akwukwọ ahu, na isaghe akàrà-ya: n’ihi na egburu Gi egbu, I were kwa ọbara-Gi gbatara Chineke madu si n’ebo nile ọ bula, na asusu nile ọ bula, na ndi nile ọ bula, na mba nile ọ bula, puta, I we me ha ka ha buru ala-eze na ndi-nchu-aja nye Chineke-ayi; ha bu kwa eze n’elu uwa.” Isiokwu nke abụ̀ ọhụụ a kpaliri ndị mmụọ ozi, n’ihi na n’oge ná-adịghị anya puku kwuru puku ndị mmụọ ozi ji olu ha ná-egosi ọ̄nụ ha, ná-asị, “O kwesiri bu Nwa-aturu ahu Nke egbuworo egbu, inata ike nile, na àkù, na amam-ihe, na ume, na nsọpuru na otuto, na ngọzi.”

**Ndị ahụ Agbapụtara**

N’ebe a ekpughere ihe eji mara ihe anọ ahụ nke dị ndụ na iri ndị okenye abụọ na anọ ahụ: ha bụ ndị nnọchite anya nke ndị agbapụtara site n’ụwa. Tụlee ka ọnọdụ ha si dị elu n’Eluigwe: ha nọ gburugburu Oche-eze nke Chineke, ná-enye Ya otuto na nsọpụrụ mgbe dum. Jisọs bụ onye mere ka ha rute n’ebe ahụ ha nọ na n’ọnọdụ ahụ nke ha nwere, n’ihi na O jikeere inye ndụ Ya ka ewee gbapụta ha.

Agụnyere mmadụ niile n’àtụ̀màtụ̀ na òkù ahụ á na-akpọ banyere mgbapụta, ma náání ndị ahụ ná-aza òkù ahụ ma nwee kwa ntachiobi ruo n’ọgwụgwụ ka aga azọpụta. Mmadụ ékerè èke emebiwo site n’ọdịda ahụ baa nime mmehie, ná-enweghị olileanya ịlọghachi n’ebe Chineke nọ, ma ọbụghị site n’àtụ̀màtụ̀ nke Chineke. Mmadụ esitewo n’ụzọ dị iche iche chọọ ịlụpụta nzọpụta nke aka ha, ma ọnọdụ dị otú ahụ bụ nke ná-enweghị olileanya ma ọ bụghị ma Kraist Jisọs ghọrọ Onye ná-ekwuru mmadụ ọnụ ya. Ọ bụ Ya bụ Onye ahụ nke náání Ya bụ onye ogbugbo n’etiti Chineke na mmadụ.

Nke a bụ ụzọ nke Chineke, ịbụ Onye ogbugbo nke Kraist egosiwo ịdị ike Ya n’ebe ọtụtụ nde mmadụ bụ́ ndị naara Ya nọ ma ọtụtụ ndụ ndị mmadụ ọzọ nwekwara ike ịbịa ma ọ bụrụ na ha chọrọ. Mgbe anyị na-atụle ihe ndịa, obi anyị ò kwesịghị ijupụta n’otuto? “N’ihi na unu mara amara nke Onye-nwe-ayi Jisus Kraist, na, ọ bu ezie na ọ bu ọgaranya, ma ọ ghọrọ ogbenye n’ihi unu ka unu onwe-unu we were ogbenye-Ya ghọ ndi-ọgaranya” (2 Ndị Kọrint 8:9). “Anamaga idoziri unu ebe. Ọ buru kwa na Mu aga idoziri unu ebe, agajem ibia ọzọ, M’gānara kwa unu nye Onwem; ka unu onwe-unu we nọ kwa ebe Mu onwem nọ” (Jọn 14:2, 3). Ihe ọ̀mụ̀mụ̀ anyị egosiwo anyị ihe ebe ahụ edoziworo n’ụzọ dị ebube yiri; Ọ bụ Jisọs meere anyị ihe a dum.

N’ụbọchị ukwu ahụ mgbe Kraist guzoro ịnara Akwụkwọ ahụ, ihe ahụ niile dị ndụ nyere otuto, ndị okenye ahụ jikọrọ ọnụ n’abụ̀ ọhụụ ahụ, ndị mmụọ ozi nke Igwe ji óké olu wee too ikwesị ekwesị Ya, ihe niile ekèrè èke tinyekwara aka n’ifè òfùfè ahụ. Ka anyị too kwa Ya n’otù aka ahụ! “Ka ihe ọ bụla nēku ume to Ja. Tonu Ja.” (Abù Ọma 150:6).

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Gịnị bụ ihe pụrụ iche banyere Akwụkwọ ahụ nke Chineke ji n’aka nri Ya?
2. Ònye bụ onye kwesịrị ekwesị ịsaghe Akwụkwọ ahụ?
3. Òlee aha ọ́kwá abụọ nke enyere Kraist n’ebe a?
4. Kọwaa omume nke ihe anọ ahụ nke dị ndụ na nke iri ndị okenye abụọ na anọ ahụ?
5. Gịnị bụ isiokwu nke abụ̀ ọhụụ ha?
6. Ọ̀ bụ ndị mmụọ ozi ole sonyere n’itò Nwa-atụrụ ahụ?
7. Òlee kwa òtú ọzọ nke soro n’òfùfè a nke zuru ọra dum ọnụ?